# ARỌPỤTARA JOSEF ỊNỌ N'ỌNỌDỤ DỊELU

## Jenesis 41:37-57

## IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 36 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Nwata ka m'buworo, aghọwokwam okenye; Ma ahughm onye ezi omume ka arapuru ya, Ahughkwam nkpuru-ya ka ha nāriọ nri" (Abù Ọma 37: 25).**

### Mkpughe Nke Chineke

Amamihe nke Josef masịrị Fero. O kweere ná nkọwa ahụ nke Josef nyere banyere nrọ̀ ya niile, ma kwere kwa na ọ gaadị mma ka ejikere maka arọ ụkọ ndị ahụ gaabịa mgbe arọ njupụta iheoriri ahụ gasịrị. Nime omume a nke Fero mere, eze a nke náamaghị Chineke mere dịka onye nwere amamihe karịa omume nke ọtụtụ mmadụ naeme n'ụbọchị taa. Okwu nke Chineke naagwa anyị banyere ikpé nke gaadakwasị ụwa; o gosikwara anyị ọtụtụ ihe ịrịbaàmà nke gaeme tutu mbịaghachị nke Onyenweanyị, ma ndị mmadụ naajụ ijikere maka izute Chineke. Ma ha gaeguzo n'iru Ya n'Ụbọchị Ikpé, ha agaghị enwe ihe ngọpụ, n'ihi na Okwu Chineke adọwo ndị mmehie akanántị ọtụtụ ugbò. O mewo kwa ka ndị kwesịrị ntụkwasịobi bụrụ ndị nche ndị nọ kwa náadọ ndị náamaghị Chineke akanántị banyere ahụhụ nke náabịa, ma ha jụrụ ige ntị n'ịdọ akanántị ahụ.

N'oge nnaanyị ochie ha, ndị mmadụ enweghị Baịbụl ebe ha si enweta ndụmọdụ, ya mere Chineke naagwa ha okwu ọtụtụ mgbe site ná nrọ̀, dịka Ọ gwara Fero. Mgbe ụfọdụ Chineke naagwa ndị amụma okwu n'ụzọ dị otú a, na site n'ọhụ̀: ma n'ụbọchị nke anyị Chineke agwawo anyị okwu site n'Ọkpara Ya, anyị nwekwara Baịbụl nke náedu anyị (Ndi Hibru 1:1, 2). N'oge ụfọdụ, Chineke naeme ka otù onye nime ụmụ Ya rọọ nrọ̀; ma ọtụtụ mmadụ ndị náejégharị, náekwu kwa banyere mkpughe pụrụ iche nke ha nwetara site n'Eluigwe bụ ndị amụma ụgha, nrọ̀ ha esiteghịkwa n'ebe Chineke nọ bịa. Enwekwara ụfọdụ ndị amụma dị otú a n'oge Moses. Ma o kwuru okwu site ná mkpali nke Mmụọ Chineke, ọ bụrụ na ha arọ nrọ̀ maọbụ mee ihe ịrịbaàmà nke náadịghị dịka iwu Chineke si dị, "Egela nti okwu onye-amuma ahu, ma-ọbu ọrọ nrọ ahu: n'ihi na JEHOVA, bú Chineke-unu, nānwà unu, ima ma unu nēwere obi-unu nile na nkpuru-obi-unu nile hu JEHOVA, bú Chineke-unu, n'anya" (Deuteronomi 13:3). Ọ bụrụ na anyị nwere ịhụn'anya nke eziokwu a nime obi anyi, Mmụọ Nsọ gaekpughere anyị uche Ya, anyị gaabụ kwa ndị náadịghị ejeso ndị ọrọ nrọ̀ ụgha.

### Ebuliri Josef N'ọkwa

Fero ghọtara na Chineke nọnyere Josef, o wee kpebie na ọ dịghị onyeọzọ karịa Josef nke gaalụ óké ọlụ a nke bụ ichebe nnukwu iheoriri nime arọ asaa nke inwebiga iheoriri ókè iji wee lekọta ndị bi n'ala ahụ. Ọbụná ndị sitere n'ala ọzọ dị icheiche gaabịa n'Ijipt ịzụta iheoriri mgbe ụnwụ ahụ bịara n'ala ha.

Ọnọdụ nke ihe dapụtaara Josef agbanwewo. Ọ bụghị kwa onye gaanọ n'ịta ahụhụ nke ịkpọasị ahụ nke ụmụnne ya; ọ bụkwaghị onye náejéozi dịka orù maọbụ ịnọ kwa n'ahụhụ nime ụlọmkpọrọ nke ndị Ijipt. Emere ya onye nke abụọ ná ndị náachịachị n'ala ahu. Nime ụlọ Fero onweya ọ bụ Josef naagwa ndị mmadụ ihe ha gaeme, ha naerubekwara ya isi. Ọ dịghị onye ọ bụla "gēweli aka-ya ma-ọbu ukwu-ya n'ala Ijipt nile" náání rue mgbe ọ natara ike n'aka Josef.

Ịyagba ọlaedo ahụ nke atụkwasịrị n'olu Josef bụ ihe ngosi nke ike enyere ya, mgbaaka ahụ, eleghịanya, bụ nke dị n'ihe ịkà akàrà n'akwụkwọozi nke eze!

### Ikwesị Ntụkwasị obi nke Josef

Josef ka bụ nwa okorọbịa n'inwe ụdị ùgwù na nsọpụrụ ahụ nke enyere ya, ma ihe ndịa emeghị ya ka o bulie onweya elu. Ọ bụ onye kwesịrị ntụkwasịobi n'ọlụ nke o nwere ịlụ, Chineke nọnyekwara ya n'ịlụọlụ ya nkeọma. Ọ natara ụgwọ ọlụ ya, n'ihi na eze nyere ya aha nke nwere nsọpụrụ, nye ya nwunye, ọ bụ kwa nime arọ asaa ka amụrụ ụmụ nwoke abụọ nye ya. Ọ ghaghị kwa ịbụ onye nwere èzinaụlọ nke nwere añụrị, n'ihi na ọ sịrị na Chineke emewo ya ka o chéfue ahụhụ ya niile, ọbụná ụlọ nna ya. Chineke naakwụghachị ụmụ Ya ụgwọọlụ mgbe niile ma ọ bụrụ na ha gaabụ ndị kwesịrị ntụkwasịobi n'ebe ihe siriike dị. "Ndọgbu n'ọlu nile nke di n'uzọ ga-abu ihe efu mgbe ayi ruru n'ọgwugwu nke uzọ ahu."

### Inwebiga Iheókè, Emesị a Ókéụnwụ

Chineke mezuru okwu Ya dịka Josef siri bue n'amụma, ala ahụ mịpụtakwara mkpụrụ nke ukwuu rue ọbụná nke agasị na apụghị ịkọwa otú ha ra n'ịdị ukwuu, ewee kpokọba ha nime obodo niie dị icheiche nke ala ahụ.

Mgbe nke a gasịrị arọ asaa ahụ nke óké ụnwụ malitere. Ụdị oge ahụhụ dị añaa gaadịworị ma ọ bụrụ na ọ dịghị mkwadobe emere! Ọ̀ bụ̀ kwa ụdị óké oge ahụhụ gịnị ka ọ naaga ịbụrụ ndị náachọghị ijikere izute Chineke ha! Ha gaamata ihe banyere ọñụ nke dịrị ndị eziomume, ma ihe gaadịrị ha onweha gaabụ ịkwá ákwá, na itimkpu, na ịta ikikèrè èzè.

Anyị ghọtara na mgbe Chineke kpọpụtara Abraham site n'obodo ndị náekpere arụsị wee debe ya iche dịka nna nke mba ọhụụ Ọ gaakpọ nke Ya. O nyere ya ụkpụrụ. Abraham mezuru òkè nke ya nime àtụ̀mààtụ̀ ahụ: mgbe emesiri Aisak bịara mgbe nke a gasịrị Jekob wee bịa. Chineke ekweworị mkwà na Mesaia gaabịa site ná mkpụrụ maọbụ eriri nke Abraham, ma rue ugbu a egbubibeghị kwa eriri ahụ.

Chineke hụrụ na óké ụnwụ gaabịa n'eluụwa niile -- ọ̀ bụ gịnị kwa ma ọ bụrụ na ndị Ya arọpụtara gaanwụ n'agụụ? Àtụ̀mààtụ̀ Ya ọ gaesi kwa añaa mezue? Ma Chineke bụ Onye matara ihe niile, Ọ gaghị ekwe ka ihe ọ bụla gbochie **ọlụ Ya.**

**Nchébe Nke Ụmụ Israel**

Eleghịanya ọ dịghị obodo ọzọ nke nwere ala dị mma náeme kwa nri nke gaenwe kwa ike ịmịta mkpụrụ gaezuru ndị Ya nime arọ asaa ahụ nke óké ụnwụ. Ya mere nime Ijipt Chineke rọpụtara otù ebe nke gaechebe ndị Ya ma debe kwa ha ndụ. O wee meghere ha ụzọ ka ha wee nọdụ n'ebe ahụ.

Ọ dịghị onye gaenweworị ike ichè na mgbe erere Josef n'Ijipt na ọ bụ ụzọ Chineke jiri chọọ ichébere ndị Ya arọpụtara ihe n'oge anaachọ ikpochapụ ha. Lee otú Chineke si dị mma nye ndị Ya! "A! omimi nke àkù nke amam-ihe na nke ihe-ọmuma kwa nke Chineke! Le otú anēnwegh kwa ike ichọputa ikpé-Ya nile, otú anēnwegh kwa ike ituputa uzọ Ya nile!" (Ndi Rom 11:33).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Fero ọ̀ matara na Josef nwere Mmụọ nke Chineke nime ya?
2. Gịnị ka Josef mere iji wee gbochie ụnwụ a?
3. Fero sịrị ndị Ijipt, "Ihe ọ si unu me, menu ya" Ònye kwuru ụdị okwu a nime Àgba Ọhụụ?
4. Gịnị mere Fero jiri kpọta Josef ka ọ kọwaa nrọ̀ ya?
5. Nrọ̀ niile nke Fero hà naaga imezu dịka Josef siri kọwaa ha?